**Ọrụ Mmwulite Omume Ọma na Agwa**

Onye ahụ nke akpọrọ unu kwesịrị ntụkwasị obi, Ọ ga-emekwa ihe O kwuru.
***1Tesalonaịka 5:24***

**Nnyocha Akwukwo**

Omume Ọjọọ Na-Amụke Amụke: Nleba Anya Ọhụrụ na Mmehie Asaa Na-Egbu Egbu Na Ọgwụgwọ Ha

Rebecca Konyndyk DeYoung

Omume anyị na-eme kwa ụbọchị na-aghọ ụzọ anyị si ebi ndụ nke na-emecha kpebie ụdị mmadụ anyị bụ. Ọ bụrụ na omume ndị ahụ abụrụ ihe ọjọọ, ọ ga-eme ka anyị bụrụ ndị na-adịghị mma; ma ọ bụrụ na ha abụrụ omume ọma, ọ ga-eme ka anyị bụrụ ndị dị mma. Rebecca Konyndyk DeYoung kọwara njem a site n'ikpughe mmehie asaa ndị Nna na Nne ochie nke Ụka mbụ chọpụtara. Ọ na-akọwa otú mmehie nke ọ bụla si agbagọ obi mmadụ, na otú nke ahụ si eme ka onye ahụ wezụga onwe ya n'ọchịchọ Chineke na ịhụnanya Ya. Iji mee ka echiche ndị ahụ doo anya, ọ na-eji ihe nkiri dị iche iche mere ihe imaatụ nke mmehie ndị ahụ.

Na nkenke, nke a bụ akwụkwọ gbasara mmehie na inyocha onwe onye yana nghọta na ido nsọ bụ ụzọ Mmụọ Nsọ si arụ ọrụ n'ime ndụ anyị iji mee ka anyị yie àgwà nke Jesu Kraịsti karịa. Àgwà ọjọọ na-egosi ihe anyị na-ahapụ ka anyị na-aga n'ihu n'ịdị ka Kraịst. DeYoung na-ekwusi ike na ịdọ aka ná ntị ndị a bụ ihe e ji amara mee nke chọrọ mgbalị kwa ụbọchị. Ma, ha abụghị naanị mgbalị mmadụ, kama ha chọrọ ka anyị nyefee onwe anyị n'ọrụ mgbanwe nke Mmụọ Nsọ. Ihe mgbaru ọsọ ya bụ ịhazigharị na ime ka akụkụ na nkuku ọ bụla nke ndụ na àgwà gị dịkwuo ndụ.

DeYoung malitere ịkọwa ihe o ji dị mkpa ịmụ àgwà ọjọọ na àgwà ọma site n'ịkọwa na àgwà ọjọọ na àgwà ọma bụ ụzọ ndụ anyị na-azụlite site na nhọrọ anyị ji aka mee ugboro ugboro na omume ndị a na-eme kwa ụbọchị, nke mechara ghọọ àgwà anyị. Ndị a na-ekpuchi akụkụ ọ bụla nke ọdịdị anyị: uche, uche na mmetụta. Mgbe Mmụọ Nsọ gbanwere anyị, a na-eduba anyị ná ndụ nke ịba ụba n'mmekọrịta ya na Chineke. Ọ na-eji ihe imaatụ Pọl nyere nke iyipụ onye ochie ma yikwasị onye ọhụrụ ahụ (Ndị Efesọs 4:22-24). Ka oge na-aga, àgwà ndị a na-aghọ ihe dịịrị anyị n'ọmụmụ. Isiokwu a na-ahụkarị n'àgwà ọjọọ ndi a bụ na ha bụ uzo gbagọrọ agbagọ, ma na-adọrọ mmadu adọrọ n’ebe ọ na-achọ obi ụtọ.

Iji gosi etu ajọ omume si bụrụ nsogbu n'ime Iso Ụzọ Kraịst, DeYoung na-eduzi onye na-agụ akwụkwọ site na akụkọ ihe mere eme nke ajọ omume na ịdị mma site n'aka ndị Nna na Nne Nzukọ Ụka mbụ, site n’oge na-emepechabeghi anya, ruo oge anyị taa. Ọ na-egosi na njirimara nke ajọ omume agbanweela kemgbe ọtụtụ afọ, mana isi okwu bụ na ndị a bụ isi ihe gbasara na ndụ ndị kwere ekwe nke na-eduga na mmehie. Onyinyo nke Osisi Omume ọjọọ na nke Osisi Ịdị Mma biara ghọrọ ụzọ isi gosi etu ajọ omume na ịdị mma si eto na ndụ mmadụ. Nke a na-enyere mmadụ aka ịghọta na ajọ omume dị ka ọrịa kansa, ọ bụghị aka gbajiri agbaji. Ilekọta ọrịa kansa chọrọ ọgwụgwọ siri oke ike karịa. Aristotle lere ịdị mma anya dị ka ihe dị n'etiti oke nke ajọ omume na-emegide

onwe ya, nke a pụrụ ịkọwa dị ka nke karịrị akarị ma ọ bụ nke pere mpe. Ebumnuche nke nyocha nke ajọ omume ndia bụ iji nye ụzọ isi lee agwa anyị n'enyo nke omenala Ndị out Kraịst na-enye, nke ga-enyere anyị aka nke ọma inwe ọganihu na nhazi ime mmụọ, sitekwa n'amara Chukwu, ịtụgharị site na ajọ omume gaa n'ịdị mma ka ukwuu. DeYoung na-eduzi onye na-agụ akwụkwọ a gagharia n'isi ajọ omume asaa na-ebilite site na nganga.

Enwere ike ile **mpako** anya dị ka ihe oyiyi bụ ihe niile. Omume ọjọọ a bụ ọchịchọ gabigara ókè na ọgba aghara maka nnabata na nkwado sitere n'aka ndị ọzọ. Mpako na-akpali anyị ịchọ nnukwu otuto n'aka onye ọ bụla, n'agbanyeghị ihe kpatara ya. Ihe kacha njọ nke mpako na-eme bu mgbe anyị na-adaghị enye Chineke otuto kwesịrị Ya dịka isi iyi nke ihe ọma anyị nile. Iji nagide mpako, anyị ga-ahapụ ọnọdụ anyị dị ka ebe nlebara anya ma chọọ Chineke. Site na-ime nke a, anyị na-edobe ibu arọ nke echiche banyere ndị ọzọ ma hapụ obere usoro ihe efu nke uwa a niile, nke ịkwalite onwe ya na nkwalite onwe onye nke na-eduba na ike ọgwụgwụ nakwa ihe efu.

**Anyaụfụ** bu obi mgbaghasị nke na-egosipụta onwe ya na iwe maka onyinye dị mma nke onye ọzọ nwere n'ihi na ha karịrị nke gị. DeYoung ji iri anya tụnyere anyaukwu na iri anya iji kọwaa na iri anya na-elekwasị anya n'onye anyị bụ, ọbụnadị inweta afọ ojuju mgbe onye iro dara. Enweghị ùgwù onwe onye na-ebilite mgbe anyị enweghị ike ịghọta na Chineke bụ isi iyi nke ùgwù na ịhụnanya anyị.

Nleba anya taa banyere **ịla azụ** na-elekwasị anya na umengwụ. DeYoung na-akpoghachi uche anyị n'otú esi ele ịla azụ anya (nke a na-akpọbu acedia) dịka enweghị ọchịchọ nmasi n'ọkpkpọ oku Chineke. Ọ na-ebute ọchịchọ na-enweghị isi na-ịzaghachi ịhụnanya Chineke ma gbanwee site n'ọrụ nke Mmụọ Nsọ. Mgbe anyị na-eme acedia ka ọ bụrụ àgwà, anyị na-atụgharị azụ anyị n'ọṅụ anyị kwesịrị inwe maka ịdị n'otu anyi na Chineke ma nyefe onwe anyi n'ịhụnanya. Nke a nwere ike ị dịka enweghị ọrụ ma ọ bụ ahụta ya dika nrụbiga ọrụ ókè, ọbụnadi n'ọrụ ime mmụọ, iji zere ịtụkwasị obi n'ọkpụkpọ oku ịhụnanya nke Chineke na-eduba ná ndụ nakwa nwere onwe.

DeYoung na-ekwusi ike na **anyaukwu** bụ obi mgbaghasi nke na-ekwenyeghi na Chineke ga-egboro anyi mkpa anyị. Ya mere, anyị na-ejidesi ihe onwunwe anyị aka ike ebe anyị kwenyere na ha bụ olileanya anyị. Anyị anaghị eji ihe Chineke nyere anyi enye aka n'ebe ndị ọzọ nọ. Mgbe anyaukwu jidere anyị, oke ọchịchọ inweta ihe karịa ejidekwa anyi ọbụnadi na ihe ndị bụ isi nke ikpe ziri ezi na ịhụnanya maka ndị agbata obi. Anyị ekwenye na ọ dịghị mkpa ka anyị dabere na Chineke, kama na onwe anyị.

**Iwe ọkụ** (iwe), nke nwere ike ịdị mma, na-aghọ ajọ omume mgbe a na-elekwasị anya n'ichekwa ala-eze nke anyị kama ala-eze nke Chineke. Anyị na-atụkwasị onwe anyị obi kama ịtụkwasị Chineke obi. N'ihi ya, nnwere onwe na udo nke ime obi efunahụ anyi. Mgbe anyị nyefere onwe anyị n'aka Chineke, iwe anyị na-eje ozi dị ka ike dị nsọ nke iguzogide ikpe na-ezighị ezi kama ịbụ àgwà ọjọọ nke isi ọnwụ n'ụzọ nke onwe anyị.

DeYoung na-ekwụ maka ajọ omume abụọ fọdụrụnụ nke lekwasịrị anya n'afọ ojuju onwe onye. Nke mbụ, **oke nrife afọ**, na-ebelata ndụ mmadụ dum ka ọ bụrụ ụtọahu. Ihe malitere dị ka onyinye sitere n'aka Chineke, iri ihe na ịnụ ụtọ ya, biara ghọọ ọchịchọ ọjọọ na-achịkwa ndụ. Ebe ọ bụ na ajọ omume a na-eduba na ịjụ inwe afọ ojuju, ọ na-adọpụ anyị n'ebe Chineke nọ, onye naanị ya na-enye afọ ojuju n'ezie. Ibu ọnụ na oriri nkwari bụ ejimara ndụ Ndị otu Kraịst. Kama ịnara nri dị ka

onyinye si n'aka Chineke ma na-elekwasi Chineke anya izu anyi agụụ ime mmụọ yana nke anụ ahụ anyị, anyị na-eburu ọrụ Chineke gbọrọ mkpa na ọchịchọ anyị n'ike aka anyi. Nke abụọ, **agụụ ọchịchọ anụ ahụ**, yiri nke mbụ nke ukwuu. Mmekọahụ bụ onyinye sitere na Chineke, mana mgbe afọ ojuju onwe onye ghọrọ ihe mgbaru ọsọ, obi anyị nọ na mgbakasi enwekwaghị ike inwe mmekọrịta ịhụnanya. Agụụ ọchịchọ anụ ahụ na-eweda ndị ọzọ ala ka ọ na-aghọ maka ihe nrita onwe onye naani. Ọ bụ ịchọ ụtọ onwe onye kama ikwe ka Chineke gboo mkpa dị n'obi anyị.

DeYoung ji ndụmọdụ maka inyocha onwe onye na nhazi nke mmụọ site na-iso Mmụọ Nsọ rụọ ọrụ iji kwe ka mgbanwe nke obi na uche mezuo (Ndị Rom 12:2). Ndị a bụ ozuzu nke sitere amara, ọ bụghị mbọ mmadụ na-agba iji ka mma. Anyị apụghị ime onwe anyị ka anyị yie Kraịst, n'agbanyeghị otú anyị si agbalịsi ike. Uto nke omume oma a Ndị otu Kraịst bụ okpukpo oku akporo anyi itolite n'amara n'akụkụ nile nke ndu anyị.